Echiche Ndị Nkụzi n′ iji Agụmagụ ọnụ Dị ka Nka Na Nkụzi na Ọmụmụ n′ Ụlọ Akwụkwọ Praịmarị na Zoon Mmụta Ezeagụ, Steeti Enugwu.

By

Ebubechineke, Ifeyinwa
Ngalaba Mmụta Nka
Univasiti Naịjirịa, Nsụka.
e-mail: ifeyinwa.euechineke@unn.edu.ng
08134384482

Ụmị

Nchọcha a lebara anya n'Echiche ndị nkụzi n'iji agụmagụ ọnụ dị ka nka akụziri ụmụaka ihe n'ogo Praịmarị na Zoon Mmụta Ezeagụ. Ụdị nchọcha e ji mee nchọcha a bụ usoro sọvee nkọwa. Ọ bụ ajụjụ nchọcha abụọ ka e ji duzie ya. Ọ bụ ndị nkụzi iri ise na zoon mmụta Ezeagụ ka e ji mee nchọcha a.O ji ngwa nchọcha NENNAỌNỌ ma jiri miin na ndịpụ n'izugbe tụchaa njatụle o nwetara. Nchọpụta gosiri na agụmagụ ọnụ nwere ọtụtụ ihe nkụzi iji kụziere ụmụaka ihe mmụta banyere ọdịnala, omenala, omebendị na ọdịbendị nakwa ihe na-eme n'ọgbọrọgbọdọ. Agụmagụ ọnụ bụ ezigbo nka nkụzi iji kụziere ụmụaka ihe.

Ọkpụrụkpụ okwu: Echiche, Agụmagụ ọnụ, nkụzị, ọmụmụ, Agụmagụ ụmụaka

Mkpọlite

Agụmagụ bụ iji agụgụ mee nka nke ga-eme ka ihe a na-akọ tọọ ụtọ ma kpalite mmụọ dị n'ime mmadụ. Ọgbalụ (2013) kọwara agụmagụ dị ka ọrụ nka e si na ya na-akọwapụta ma na-ahụta ndụ. Ọ sịrị na ọ bụ ọrụ nka nke mmadụ maara asụsụ n'oge nke ha, na-eji nka asụsụ ezipụta echiche ha niile. Agụmagụ bụ ihe dị ọkpụ tọrọ ọkpụ. Nwankwọ (2019) hụtara agụmagụ dịka enyo mmadụ ji ahụta onwe ya nakwa ndị ọzọ iji hazie ma dozie mmejọ na adịghị ike nke mmadụ. E nwere ike kwuo na agụmagụ bụ aka nka nke mmadụ na-esite na ya egosipụta mmetụta n'ahụ, ebumnobi nakwa ihe ndị ahụ ọha na eze hụrụ n'anya. E ji ọtụtụ ihe mara agụmagụ dị ka edemede, ọmụmụ a nabatara, ọrụ nka nke nwere ike ịbụ arọmarọ n'ụdị akụkọ, egwuregwu na abụ. Ndị ọzọ bụ edendụ onwe, edendụ onye,

dịdịndụ, adịdịndụ na njembiri. A kọwakwara agụmagụ dịka ihe niile e dere ede n'ụdị arọmarọ n'agbanyeghi ka ihe niile ndị ahụ e dere n'ụdị arọmarọ ma ha adị mma ma ọ bụ na ha adighi. A hụtakwara ya ka ihe e detụrụ maka otu oge, otu agbụrụ, otu mba nakwa ihe niile bụ ihe odide bara uru e nwere dị ọkpụ tọrọ ọkpụ nke a hụtara dị mma ma na-ewulitekwa mmụọ mmadụ. Akporobaro (2012) kọwara agụmagụ ka ọrụ nka nke a kọrọ akọ, nke a gụrụ agụ ma ọ bụ nke e dere ede n'ụdị ọ ga-enye mmadụ obi aṅụri, afọ ojuju, amamihe ma nyekwa mkpalịte mmụọ. Nchọcha a gbadoroụkwụ n'agụmagụ ọnụ dị ka o siri gbasaa nkụzi na ọmụmụ ihe ụmụaka.

Agụmagụ ụmụaka bụ agụmagụ e dere naanị maka ụmụaka nke na-enye ha ezi ọṅụ ma kpalịtekwa mmụọ na mmasị ha n'ọgụgụ agụmagụ. Dị ka Nnabụihe (2009) kọwara, agụmagụ ụmụaka dị ka ịgụ ihe ọgụgụ n'onwe ha ma ọ bụ na a gụọrọ ha ya, nke ụmụaka na-esite na ya amụta ọtụtụ ihe gbasara ụwa, nhụrụwa nakwa ọtụtụ ihe gbasara ndụ. Ụmụaka na-esite n' agụmagụ na-enweta obi aṅụrị, afọ ojuju, amamihe, echiche miri emi na mkpalị nke mmụọ. E nwekwara ụdị agụmagụ ndị ọzọ dị ka agụmagụ agụgụ ala, agụmagụ nchọcha, agụmagụ sayensi nakwa ndị ọzọ. Ọ sịrị na ha niile bụcha agụmagụ ihe mere eme, ihe a chọpụtara na ndị edetụkwara kpọmkwem etu ha siri mee ma ọ bụ etu ha siri dị. Ọ kọwakwara na ha bụ agụmagụ a kpụnyeghi nnụ ọ bụla iji chọọ ha mma n'ihi na e bughi obi ụtọ na mwulite mmụọ n'uche dee ha. Nkụzi bụ ịgba mbọ hụ na mmadụ mụtara ihe site n'aka onye ka ya mara. Ọ bụ mmadụ ịnwa oke ya ime ka onye ọzọ nweta mmụta n'aka ya. Ọ bụ onye nkụzi na-anwa oke ya ime ka nwata akwụkwọ mụta ihe.Ọmụmụ bụ mmadụ inweta mmụta na mbawanye n'amamihe site n'ịgụ akwukwọ, site n'ihe mere na ndụ onye ọzọ na inweta nka mmụta dị iche iche site na nkụzi. Ude (2018) kọwara ọmụmụ dị ka ihe dị ọkpụ na ndụ mmadụ nke na-ebute mgbanwe ozi na ihe merela mmadụ na ndụ na-ewetara ya mmụta, nka dị omimi na mgbanwe n'akparamagwa.

Agụmagụ nwere agụmagụ ọnụ/ ọdinala na agụmagụ ederede / ugbu a. Agụmagụ ọnụ bụ agụmagụ Afrịka kacha dị ochie n'ihi na ọ bụ ihe nọchitere anya agụmagụ ọdịnala ndị mmadụ. Ọ bụ n'agụmagụ ọnụ ka ndị ode ugbu a ṅụtara echiche ha ji ede edemede ugbu a. Agụmagụ ọnụ bụ akụkọ a rọrọ arọ e detụghi edetụ nke gbadoro ụkwụ na mmadụ ma ọ bụ anụmanụ, mana a na-ewebata mmụọ na ihe egwuregwu dị iche iche n'ime ya. A na-ahụta ụdị akụkọ gbasara aghụghọ, ihe

ịkpa amụ, ihe ime mmadụ nọrọ na-agbata ọnwụ na ndụ, akụkọ ntọaja, nke gbasara agwa ọma na agwa ọjọọ, ịgba mbọ, ikwu eziokwu, ịdị uchu, ịṅọ nkọ, ime mma na uru dị na ya, ime njọ na ọghọm dị na ya, mmegbu nwa ogbenye, imeru ihe n'oke, ikwuwa aka ọtọ, inyere mmadụ aka na uru dị na ya, nnupuisi na ọghọm so ya, nrubeisi na uru so ya, ụganị, na ihe nkụzi dị iche iche e ji azụlite ma na-ewulite akparama agwa na nke metụtara anụmanụ dị iche iche, nnụnụ, ihe dị ndụ na nke adịghị ndụ na-akpa agwa ka mmadụ. Ọ bụ eziokwu na ha na-akpa agwa ka mmadụ, a na-eji ha atụcha, tụlee ma nyochaa agwa maka mmụta (Ọgbalụ, 2013). Agụmagụ ọnụ dị ka Akporobaro (2012) siri kọwapụta bụ agụmagụ e ji ọnụ kwupụta nke dị ọkpụ, ma si n'aka nna nna fere ụmụ ụmụ, nke na-adịgidekwa mgbe dum. Ọ kọwakwara na agụmagụ ọnụ bụ agụmagụ mgbe ochie nke e detụghi edetụ n'akwụkwọ, nke sitere n'aka nna nna ochie fere n'aka ndị ụmụ ụmụ ugbu a. Nnabuihe (2009; Ọgbalụ, 2013) hụtakwara agụmagụ ọnụ dị ka enyo ma ọ bụ ugegbe e ji ahụ nkwenye, omenala, ọdịbendị na ọdịwara gbo gbo ndị Igbo nke gụnyere nka na amameme, egwuregwu, agbamegwu, ilu, ụkabụilu, agwụgwa, okwu ntụhi, asịnilu, uri, na abụ ndakọrịta nakwa nkwenye anwansị. Ọgbalụ (2013) kọwara na agwa niile dị n'akụkọ ifo bụ agwa nnọchite anya mmadụ n'ọgbọrọgbọdọ. Ọ siri na ọ bụ ya ka akụkọ ifo jiri bụrụ ngwa siri ike iji akụziri ụmụaka nakwa ọha na eze. Ya bụ na ihe mejupụtara agụmagụ ọnụ bụ akụkọ, egwuregwu na abụ ọdịnala nke nwekwara nkewasị ndị ọzọ dị ka akụkọ ifo, akụkọ okike, akụkọ ndị ichie, akụkọnegwu, ilu, agwụgwa, ụkabụilu, okwu ntabire; ejije ọdịnala na abụ ọdịnala nakwa nkewasị ndị mejupụtara ejije na abụ ọdịnala. Akporobaro (2012) kọwapụtakwara ihe agụmagụ ụmụaka bụ, dị ka akụkọ a rọrọ arọ, egwuregwu, abụ, akụkọ ndụ onye, akụkọ dike, agwụgwa, akụkọ ihe e sere ese, mbem, abụ ngụgụ nwa, nkọkịrịnkọ na nrụrọ na abụ ndakọrịta.

Ejije ọdinala bụ njije mmadụ na-ejije ekere ma ọ bụ ihe na-emegasị n'ụwa n'ụdị igwu egwu, ịrụ ọrụ, ibu agha, ime njem,okpukpere nakwa ihe ndị ọzọ a na-eme na ndụ. Chineke (2021) kọwara ejije ọdịnala dị ka ọrụ nka jupụtara na mmegharị ahụ na-eme ka mmadụ na-eme omume ka ọ bụrụ onye ma ọ bụ ihe ọ bụghị. N' ejije ọdịnala a na-ejije agwa ụfọdụ, ejije ihe nna nna ha mere, ejije mmanwụ, anụ ọhịa, nnụnụ site n'inwe ejije ihe ahụ, na-ekwu ka ya site n'ịgbanwe olu. Ọ bụ mgbanwe olu a na-eme ka ejije dị ebube dịkwa mma nlere. Ejije ọdịnala na-enwe egwu a na-agụ agụ, nke a na-akụ akụ, na nke a na-ekwe ekwe na nke a na-agba

agba. E ji arịa ndị a akụ ha udu, ekwe, ịchaka, ọyọọ, ogene, alo, opi na ndị ọzọ dị ka Chineke (2021) siri kọwapụta.

N' aka nke ọzọ abụ ọdịnala bụ nzimozi si n'obi pụta nke e ji okwu kara aka ekwupụta. Abụ ọdịnala bụ nke a na-akpọ abụ ọnụ maka na e detụghị ya edetụ. Ọ bụ abụ ọnụ ndị Igbo ji ezipụta ọnọdụ ọ bụla ha hụrụ onwe ha n'ebimndụ ha. Abụ ọnụ nwere ike ịdị n'ụdị mbem, uri/ egwu, ngụgọ dị ka Ọssaị (2011) siri kọwapụta. Abụ ọdịnala nwekwara ngalaba ndị ọzọ nke gụnyere abụ ifo, abụ agha, abụ nkụzi, abụ nwa, abụ ngụgọ, abu ntọaja na abụ okike. E nwekwara ngalaba agụmagụ ọdịnala ndị ọzọ dị ka ilu na agwụgwa nke na-enyere ụmụaka aka inwe ezi akọ na uche. Agwụgwa ka Ebubechineke (2020) kọwara dị ka otu ụzọ nkụzi ndị Igbo, na-enyere aka akpọte ụbụrụ ụmụaka ka ọ na-anụ ọkụ ma na-echeta ihe ngwa ngwa. Ọ kọwara na agwụgwa na-eme ka nwata na-echemi echiche ime iji mata ụsa ihe ụfọdụ. Dị ka Nwadike (2003) n'ime Ebubechineke (2020) siri kọwaa banyere ojiji agwụgwa, ọ siri na e jighi abụka m okenye ma ọ bụ agụka m akwụkwọ azata agwụgwa. Ọ na-akọwa na ịmata agwụgwa na-esite n'anya iru nwata ma ọ bụ okenye ala. E nwekwara okwu ntabire nke na-enyekwa aka n'ịzụlite nwata ịbụ onye mara ekwu okwu nke ọma nke na-agakwa werewere, onye ndị ọha na eze nwere ike n'ọdịnihu na-akpọku ka ọ gaa na-ekwuchitere ha ọnụ ha mgbe ha tolitere. E nwekwara nkọkịrịnkọ nke na-enyekwara ụmụaka aka ịmata ihe mere n'oge ochie, etu o siri mee na ihe kpatara o jiri mee; dị ka ihe mere anwụnta ji ebe ụrịa na ntị mmadụ; ihe mere ọnwa jị adị mpekele mpekele mgbe ọ na-apụta ma dịkwa mpekele mpekele mgbe ọ na-ala ala; ihe mere ụmụ nwaanyị ejighi agba afọ ọnụ ma nwee ogologo ntụtụ karịa ụmụ nwoke.

Ihe ndị ahụ niile bụ iji tute mmụọ nchọpụta na amamihe ụmụaka nakwa ịkụziri ha ihe ndị ọha na eze hụrụ n'anya nke ukwu. Ọ bụ n'ihi oke mbamuru agụmagụ ọnụ mere ndị odee dị ka Chinụa Achebe, Aniezi Okoro, Amos Totuola, Akwei Ama, John Munonye, J. P. clark na ndị ọzọ jiri webatajuo agụmagụ ọnụ ha gbazitere n'edemede ha. N' aka nke ya Obiwelọzọ (2011) mere ka aghọta na ilu, nkọkịrịnkọ, agwụgwa na okwu ntabire bụ ụzọ mara oke mma ụmụaka si amata ihe banyere omenala ha; na ha na-esitekwa n'ụzọ agụmagụ ọnụ niile amụta asụsụ na omenala, ewumewu, ofufe na nkwenye ndị obodo ha. Ebubechineke (2020) kọwakwara na ilu, agwụgwa, nkọkịrịnko, mbem, abụ, akụkọ ala, akụkọ ifo, akụkọ dike bụ ihe na-eme ka nwata mata ihe na-eme na gburu gburu ya nakwa ịmata

akụkọ ndị kpara ike n' ala ha, obodo ebe ha kpara ike ndị ahụ na agwa dị ike dị iche iche ha kpara. Ọ gakwara n'ihu kwuo na, n'abụ ụmụaka na ụmụaka na-esi na ya amata abụ abụ nakwa agụ mbem. Mbem ha na-enwe nke nke ahịrị dị mfe, ma na-enwekwa kwe nkwukwe; gụ ngụkwa na kụ nkụkwa. Abụ ụmụaka so n'abụ mbụ mbụ e nwere n'agụmagụ ụmụaka. Ụmụaka na-enwe nnukwu ọṅụ mgbe ha na-agụ na-ekwe abụ ndị ahụ. Ha na-enwekwa oke mmasị mgbe ha na-agụ nke e detụrụla edetụ n'akwụkwọ agụmagụ ọdịnala. Ụmụaka na-ejupụta n'oke mmegharị ahụ nakwa n'ihe ịkpa amụ mgbe ọ bụla ha na-agụ mbem ma ọ bụ 'resiteshọn.' Mbem jupụtara n'amamihe e ji akụzi, enye ndụmọdụ ma na-agbazịrị nwata ụzọ, adọkwa aka na ntị, agba ume, na-eduzi ha ụzọ ma na-echetakwara ha ndị ha bụ nakwa ụdị ndị ndị ahụ bụkwa. Akparobaro (2012) kwenyere na nwata gerecha ntị nụ etu mmadụ siri kpaa ike, lụọ agha obodo ya nwee mmeri, nwere ike nwee mkpalị nke mmụọ na mmasị na mkpebi ma ṅomie ndị ọ nụchara akụkọ ndụ ha. O kwuru na akụkọ ọkpụ bụ ezigbo ụzọ isi kpalie mmụọ nwata nke gosiri na o gere ntị nke ọma.Ya bụ na agụmagụ ọnụ bara oke uru na ndụ ụmụaka n'ihi na ha na-esite na ya amụta nka ikwu okwu ọsịsọ, nka ogige ntị nakwa ọsụsụ asụsụ. Ụmụaka na-esitekwa n'ụzọ dị etu ahụ amụta ihe banyere omenala, ọdịnala, ọdịbendị, omebendị, ahụmihe ndị okenye na ahụmihe ụwa. Ha na-amụtakwa ihe site na mmekọrịta ha na ụmụaka ibe ha. Ọ bụ ụzọ esi akụzi ndụ ahụ ọha na eze hụrụ n'anya nke ukwu, nke ọ ga-abụ onye gahie ụzọ n'ebe iwu chekwabara ihe ndị ahụ dị, ha enwee ihe ntaramahụhụ. Ya ka Akporobaro (2012) jiri kọwapụta na agụmagụ ọnụ bụ ụzọ e si azụlite nwata n'uzọ ọdịnala ala a mụnyere ya. Ọ sịkwara na a na-ewebata ụdị agụmagụ dị iche iche dị ka ilu, agwụgwa, mbem, abụ, egwu, uri, pọzl, akụkọ ifo, abụ nwa, abụ ifo, akụkọnegwu nakwa ndị ọzọ na nkụzi. Ọ sịrị na ụdị agụmagụ ọnụ ndị a nwere ike inye ụmụaka mmụta, ma kpalie ekemeke uche ha. Site na ihe nkọwa ndị a niile, agụmagụ ọnụ bara oke uru ma dịkwa mkpa na ndụ ụmụ aka ma e jiri ha kụziere ha ihe. Agụmakwụkwo praịmarị bụ ntọala agụmakwụkwọ ogo ndị ọzọ. Ọ bụ agụmakwụkwọ nke NPE (2014) siri na ọ bụ mmụta nke a na-enye ụmụ akwụkwọ n'ụlọ akwụkwọ malite n'afọ ise ruo n'afọ iri na otu (5-11). Ọ bụ ogo a na-akọwata ọgịga n'ihu ma ọ bụ ọdịda sistem agụmakwụkwọ ogo niile. Ndị nkụzi nọ n'ogo praịmarị, bụ ndị gọmenti zụrụ nke ọma n'ụlọ akwụkwọ ha guzowere ebe a na-azụ ndị nkụzi. Ọ bụ n'ogo praịmarị a ka a na-ejikarị agụmagụ ọnụ na nkụzị na ọmụmụ. Nke a pụtara na ọ bụ n'aka ndị nkụzi ka ịkụziri ụmụaka ihe ga-ewulite mmụọ ha dị n'aka kpọm kwem tụmadị

n'ogo praịmarị ma na ha anaghị eme nke a, mere ọchọcha ji bagide nchọcha a ịmata oke ndị nkụzi na-ejidebe agụmagụ ọnụ na nkụzi na ọmụmụ ihe.

Nsogbu nchọcha

Nchọcha a gbadoro ukwu n'echiche ndị nkụzi n'iji agụmagụ ọnụ akụziri ụmụaka ihe n'ogo praịmarị na zoon mmụta Ezeagụ. Ọchọcha lebara anya n'echiche ndị nkụzi banyere iwebata agụmagụ ọnụ na nkụzi na ọmụmụ ihe. Ọ hụtara na ọtụtụ ndị nkụzi praịmarị amatachaghị uru agụmagụ ọnụ bara n'iji ya akụziri ụmụaka ihe. N'ihi nke a, e tinyeghi ya na kọrikulum ka ọ bụrụ ihe a na-amụ amụ. Nke a mere na ndị nkụzi enweghi mmasị n' ọmụmụ ihe, ha hụtara ya ka ihe jupụtara naanị n'akụkọ ndị mgbe ochie, akụkọ ndị mmụọ, anụmanụ, iduu na ọba nke enweghi isi na ọdụ. N'ebe ụfọdụ ndị gụrụ akwụkwọ na-ahụta ya ka ihe mgbe ochie, ihe enweghi echiche, ihe jupụtara na gụ ngụkwa, kụ nkụkwa na kwe nkwekwa nke ndị nna nna ochie nyefere n'aka ụmụ ụmụ ha site n'okwu ọnụ. Ụfọdụ egosighi mmasị n'ihi na ha kwuru na o sitere n'aka ndị itibọrịbọ. Ihe ndị nọ n'ọchịchịrị na-ekwu n'agụmagụ jupụtara n'ihe anwansị na nke ihe nsọ ga-eme ka uche ụmụaka pụọ n'ikpere Chineke. Ọ bụ ihe ndị a niile mere ka ndị nchọcha lebanye anya ịmata echiche ndị nkụzi n'iji agụmagụ ọnụ na nkụzi na ọmụmụ ihe n'ogo praịmarị dị na zoon mmụta Ezeagụ.

Mbunuche nchocha

Mbunuche izugbe nchọcha a bụ ilebanye anya n'ịmata echiche ndị nkụzi n'iji agụmagụ ọnụ na nkụzi na ọmụmụ ihe n'ogo praịmarị. Mbunuche kpọm kwem bụ:

1. Ịchọpụta echiche ndị nkụzi n'iji agụmagụ ọnụ na nkụzi na ọmụmụ n'ọgo Praịmarị
2. Ichọpụta etu ndị nkụzi si ejidebe agụmagụ ọnụ na nkụzi na ọmụmụ n'ogo Praịmarị

Ajụjụ nchọcha

1.Kedu echiche ndị nkụzi n'iji agụmagụ ọnụ na nkụzi na ọmụmụ n'ogo praịmarị?
2.Kedu etu ndị nkụzi si ejidebe agụmagụ ọnụ na nkụzi na ọmụmụ n'ogo praịmarị?
Oke nchọcha: Nchọcha a jedebere n'ụlọ akwụkwọ praịmarị malite na klasị mbụ ruo na klasị ikpeazụ nke malitere n'afọ ise ruo n'afọ iri na otu (5-11). Onye nchọcha họọrọ praịmarị maka na ọ bụ ebe a na-amataghị uru agụmagụ ọnụ bara

n'agụmakwụkwọ ụmụaka. Ọ dịkwaara onye nchọcha mfe inweta ihe ọ chọrọ maka nchọcha a n'ogo a.

Ntụleharị Agụmagụ

Nkọwa okwu njimarụ

Echiche: Echiche bụ etu mmadụ si jiri anya ime mmụọ ahụta ihe ka o siri dị. Umezi (2017) kọwara echiche dị ka ikpokọta igwe atụmatụnke ga-eme ka a chịgharịa mmụọ banyere out ihe, nke bụ mmadụ inwe echiche miri emi banyere ihe a kpụ n'ọnụ tupu ọ kabie. Umezie (2017) gakwara n'ihu kwuo na echiche bụ mmadụ na mmụọ ya ịdị na-agbagharị gbasara ihe na-eme n'okirikiri ya. Ọ pụtara mmadụ na akọ na uche ya ịnọ na ndọgha ruo na ihe kweiri apụta ihe banyere ihe a na-atụle.

Agụmagụ: Agụmagụ dị ka Ụgbọ (2012) siri kọwapụta, bụ ọrụ nka na enyo uche e ji ezipụta agwa dị iche iche Mba ma ọ bụ obodo na-eme. Ọ sịrị na agụmagụ dị ka nṅomi, ịnọchị na ngosi site n'atụmatụ ma ọ bụ obi ụtọ ma ọ bụ afọ ojuju.

Agụmagụ ọnụ: Agụmagụ ọnụ bụ agụmagụ e ji ọnụ kwupụta nke sitere n'aka fere aka, nke dị kwa ọkpụ tọrọ ọkpụ. Nnabụihe (2009) hụtara ya dị ka enyo ma ọ bụ ugegbe e ji ahụ nkwenye, ọdịbendị na ọdịwara gboo gboo ndị Igbo nke gụnyere nka na amameme, egwuregwu, agbamegwu, ilu, ụkabụilu, agwụgwa, okwuntụhị, asịnilu, uri na abụ ndakọrịta nakwa nkwenye anwansị.

Agụmagụ ụmụaka: Agụmagụ ụmụaka dị ka Akporobaro (2012) kọwapụtara na ihe ndị mejupụtara ya bụ, akụkọ a rọrọ arọ, egwuregwu, abụ, akụkọ ndụonye, akụkọ ala, agwụgwa, akụkọ ifo, akụkọ ihe e sere ese, abụ ngụgụ, nkọkịrịnkọ na nrụrọ.

Nkụzi: Nkụzi bụ ịgba mbọ hụ na mmadụ mụtara ihe site n'aka onye ka ya mara. Ọ bụ mmadụ ịnwa oke ya ime ka onye ọzọ nweta mmụta n'aka ya. Ọ bụ onye nkụzi na-anwa oke ya ime ka nwata akwụkwọ mụta ihe.

Ọmụmụ: Ọmụmụ bụ mmadụ inweta mmụta na mbawanye n'amamihe site n'ịgụ akwụkwọ, site n'ihe mere na ndụ onye ọzọ na inweta nka mmụta dị iche iche site na nkụzi. Ude (2018) kọwara ọmụmụ dị ka ihe ọkpụ na ndụ mmadụ, nke na-ebute mgbanwe ozi na ihe merela mmadụ na ndụ na-ewetara ya mmụta, nka dị omimi na mgbanwe n'akparamagwa.

Ntụleharị Atụtụ
Na mpaghara a ọchọcha lebara anya n'ụfọdụ atụtụ metụtara isi okwu nchọcha.

Atụtụ Nrụmọrụ
Atụtụ nrụmọrụ na-amụ maka asụsụ na agụmagụ. Ọ bụ n'afọ 1966 ka Goldschamdt wepụtara atụtụ a. Atụtụ a na-akọwa mkpa ileba n'ọrụ ihe na-arụ na ndụ mmadụ. Atụtụ a na-atụcha echiche nakwa mmekọrịta mmadụ na ibe ya. Agụmagụ nke gụnyere agụmagụ ọnụ na-arụ ọrụ mpụrụ iche na ndụ ụmụaka mgbe a tụnyere ha n'ihe ọmụmụ ụmụaka ma na-ewulitekwa ya ma mekwa ka ha nwee mmasị na ọṅụ ịgụ agụmagụ ọnụ. Atụtụ a dabara ma nwekwa mmetụta na nchọcha a maka na agụmagụ ọnụ n'ụdị ya niile na-akpalị mmụọ ụmụaka ma na-ewulitekwa ya ma mekwa ka ha nwee mmasị na ọṅụ ịgụ agụmagụ ọnụ n'ụdị ọ bụla

Nchọcha e merela banyere isi okwu
Ọ na-ahịa ezigbo ahụ mweta nchọcha banyere isiokwu ọ bụla e dere n' asụsụ Igbo n'ihi na ọ ka bụ ọ gbara ọhụrụ bụ ide nchọcha n'asụsụ Igbo. Ọchọcha lebara anya n'edemede ndị a:

Ebubechineke (2020) nke gbadoro ụkwụ n' akụkọ ifo. Ọ kọwara na, na mgbe ochie nne na nna na-esitekwa n' akụkọ ifo ụfọdụ kụziere ụmụ ha egwu na abụ dị iche iche. O kwuru na, ha na-eduga ha mmiri ma ọ bụ ịkpa nkụ n'ọhịa, na ha na-esite n'ụzọ ahụ amata etu ala ha dị, ma ha e nwere mmiri, aha mmiri ya, ha e nwere ụgwu, aha ya, aha ọhịa na ndagwurugwu dị n'obodo ha. Ha na-akọrọ ụmụ ha maka ọgụ ala ha na ndị ọzọ lụrụ n' oge gboo. Nna na nne n'oge ahụ na-atụkarịrị ụmụ ha ilu ime ka ha mụta ịtụ ịlụ, mụtakwa iche echiche, ma mụtakwa ikwu okwu. Ha na-ejikwa ụkabụilu e kwuru ụmụ ha okwu ka ha mụta ihe ma nwekwa ezi akọ na uche. Nchọcha abụọ yiteturu ma ha abụghị otu n'ihi na ha nwere ihe nkụzị n'ụzọ mpụrụiche.

Nwankwọ (2019) lebakwara anya n'akụkọ ifo maka mwulite akparamagwa ụmụ aka site n'iji agwa anụmanụ dị ka ihe nlere anya. Ọ kọwara na a na-eji akụkọ ifo banyere ụmụ anụmanụ ezipụta ihe ndị na-eme kwa ụbọchị n'etiti mmadụ na ibe ya dị ka ha na-adị ndụ n' ala Igbo. Ọ sịrị na agwa na akparamagwa ụmụ anụmanụ ndị ahụ dị n'akụkọ ifo na-enyere ụmụaka aka ighọta ihe ndị kacha mkpa n'agwa

dị ka ndị okenye ala kacha hụụ n' anya dị ka ịsọpụrụ ndị ọkenye, nrubeisi, ịdị umeala, nlekọta ihe, ikele ekele, ịkwanyere okenye ugwu ruuru ya, inyere okenye aka ibutere ya ibu, adịghị na-asa okenye okwu, asọnyeghi ọnụ na nkata ndị okenye na-akpa, ịgwa ndị okenye okwu n'ụzọ dị nsọpụrụ na n'umeala nakwa ọtụtụ ụzọ .Nchọpụta gosiri na iji akụkọ ifo kụziere ụmụaka ihe n'ọha magbụru onwe ya na mma. O kwadosịrị usoro nkụzi a ike iji ya zụlite nwata. Nchọcha abụọ a yitere n'ihi na ha abụọ na-arụtụ aka n'ihe na-eme ka ekemekeuche ụmụaka bụrụ ihe e wulitere nke ọma, ma ọ bụ na mpaghara agụmagụ ọnụ ka ọ gbadokarịrị ukwu ebe nke a na-eme ugbu a metụtara agụmagụ ọnụ dum.

Ebubechineke (2018) lebara anya na nchọcha bụ ịzụlite nwata n'ụzọ ọdịnala bụ mgbado ukwu mmụta nke ugbu a. Ọ hụtara na akukọ ifo dịka ihe dị oke mkpa n'iwulite amamihe nwata. Ọ kọwara na akụkọ ifo bụ otu n'ụdị agụmagụ ọnụ e nwere nke sitere n'aka ndị nna nna fere n'aka ụmụụmụ, site n'okwu ọnụ. Ọ kọwara na akụkọ ifo jupụtara na nkwenye ọdịnala ọbodo, ụzọ e si ebindụ, na ihe ndị obodo hụrụ n'anya na nke ha kpọrọ asị. Nchọpụta gosiri na site na nṅomi ihe ndị ahụ e nyefere ha site n'agụmagụ ọnụ, amamihe ha ga-ewulite nke ga-eme ka ha nwee echiche dị nkọ ma mikwe emi. Nchọcha abụọ yitere n'ihi na ha rụtụrụ aka n'akụkọ ifo dị ka otu ngalaba agụmagụ ọnụ. Ha abụọ abụghị otu ngalaba agụmagụ ọnụ. Ha abụọ abụghị otu n'ihi na nke ugbu a gbadoro ukwu n'agụmagụ ọnụ n'uju.

Obiweluọzọ (2011) lebara anya na perception of primary school teachers on the use of oral tradition in teaching and learning in primary schools in Nsukka Education zone. Ọ bụ usoro sọvee nkọwa ka o ji nyocha nchọcha a. Nchọpụta gosiri na ndị nkụzi nabatara ihe nkụzi na-esite n' agụmagụ ọnụ apụta ma na ha rụtụrụ aka n'ihe n'ezighi ezi na- esitekwa na ya apụta. Ha abụọ yitere na nhụruche ma ha eyiteghi n'asụsụ na ebe nchọcha.

Nchịkọta ntụlegharị agụmagụ.

Nchịkota ọrụ niile a tụlere n'isi okwu, ọchọcha chọpụtara na nchọcha ndị e merela eyiteghi nke ọ na-eme ugbu a. Nke Nwankwọ (2019), Ebubechineke (2018) na Obiweluọzọ. Ọ dịghị nke yitere nke a na-eme ugbu a. Ya mere onye ọchọcha ji mee nchọcha n'isiokwu bụ Echiche ndị nkụzi n'iji agụmagụ ọnụ dị ka nka nkụzi na

ọmụmụ Asụsụ Igbo n'ụlọakwụkwọ praịmarị na Zoon Mmụta Ezeagụ, Steeti Enugwu .

Usoro nchọcha

Ụdị nchọcha a gbasoro mee nchọcha a bụ sọvee nkọwa. Sọvee nkọwa bụ nke e ji amata echiche, mbunuche, nhụrụụwa, nkwenye ndị mmadụ nke e si na ya ezipụta mbunuche nchọcha. Ọ bụ iji ụfọdụ mmadụ a họpụtara n'otu ebe ka ha nọchie anya ndị ọzọ.

Ebe a norọ mee nchọcha a bụ na Zoon Mmụta Ezeagụ dị n'okpuru ọchịchị Ezeagu. Ebe mmepe anọ mejupụtara Zoon Mmụta dị ka Eze (2018) kowapụtara. E kewara ha dị ka Mmepe Etiti, Ezeagụ Nọọtụ West, Ezeagụ Sawụtụ na Ezeagụ Etiti. Aka ọrụ ha bụ ịkpụụzụ, ọrụ ugbo, ọrụ oyibo, ịkpa nkata, ite nkwụ na ịzụ ahịa.

Ndị e ji mee nchọcha bụ ndị nkụzi Praịmarị nọ na Zoon Mmụta ndị a. Ha dị otu puku, narị ato na iri isii (1360) ndị ha na-akụzị nọ n'agbata afọ 5-11. Ọ bụ ndị nkụzị ga-aza ajụjụ njụmaza. Ọchọcha ji ndị nkụzi niile na-akụzi ndị Praịmarị na Zoon Mmuta Ezeagụ nke ọnụ ọgụ ha dị narị, iri atọ na isii (136) nke ọ gbasoro usoro nsere ebumnobi họrọ pesenti iri ndị nkụzi ndị nọ na Zoon Mmụta Ezeagụ.

Ngwa nchọcha onye ọchọcha ji mee nchọcha a bụ ajụjụ ederede njụmaza nke ọ kpọrọ 'Njụmaza Echiche Ndị Nkụzi n'iji Agụmagụ ọnụ na Nkụzi na Ọmụmụ n'ụlọ akwụkwọ praịmarị 'NENNAỌNỌ'. O ji kwa intanet na ọbọ akwụkwọ. O nwere njụmaza ụzọ abụọ nwere ndịna iri abụọ (20) a haziri maka ndị nkụzi iji nweta echiche ha nakwa njidebe agụmagụ ọnụ ha na nkụzi na ọmụmụ ihe. N'ajụjụ ederede njụmaza ndị nkụzi ga-aza ajụjụ ga-ezipụta echiche ha na etu ha si jidebe agụmagụ ọnụ akụzi ihe. Ha ga-eme nke a site n' ịkanye akara a (√) n'aziza masịrị ha. E kewara nkwenye ụzọ anọ ndị a:

Ekwesiri m ike (EMI(4; Ekwere m (EM) 3; Ajụsịrị m ike (AMỊ) 2;Ajụrụ m (AM) 1

E nwekwara nkwenye oke ijidebe agụmagụ ọnụ n'ihe ọmụmụ. Nke a nwere nkwenye ụzọ anọ

Ana m ejisi ya ike (AEI); Ana m eji n'agbata (AEA); Anam ejitu nwa obere (AEO) Anam eji ya na ngụrụ (AEN)

Ọchọcha were ngwa nchọcha a nyefe n'aka ndị ọkammụta mmadụ atọ n'asụsụ Igbo, ngalaba Mmụta na ngalaba Sayensi nke Mahadum Naịjirịa, Nsụka ka ha

lebanye ya anya nke ha mere iji mata ma ihe ọchọcha dere a dabara na nchọcha ya. Ọ bụ site na ntụzi aka ha nyere ka onye ọchọcha ji hazie ngwa nchọcha a etu o si dị na nchọcha a.

Ọchọcha gara n'ụlọ akwụkwọ ndị ọ họọrọ na Zoon Mmụta kee ndị nkụzị njụmaza ndị ahụ ma gwaa ha ihe ha kwesiri ime. Ọ nakọtakwara ngwa nchọcha a ozugbo ahụ ka ọ ghara inwe nke furu efu

Ọchọcha ji miin na ndịpụ n'izugbe hazie ihe ọ chọpụtara. Ọsịsa ajụjụ nwere 2.5 gbagowe bụ nke a nabatara maka ijiri ya rụọ ọrụ. Ebe ọsịsa ọ bụla nke erughị 2.5 bụ nke ọchọcha anabataghị.

Ajụjụ nchọcha nke mbụ

Kedụ echiche ndị nkụzi n'iji agụmagụ ọnụ na nkụzị na ọmụmụ ihe n'ụlọ akwụkwọ Praịmarị.

Tebul 1 Etu e si zipụta akara miin echiche ndị nkụzi n'iji agụmagụ ọnụ na nkụzi na ọmụmụ. N=136

SN	NDỊNA	MIIN	SD	MKPEBI
1.	Agụmagụ ọnụ na-enyere ụmụaka aka n' iwulite akparamaagwa ma mekwa ka ha mata ihe dị mma na nke dị njọ.	3.5	0.85	Nabatara
2.	Ụmụaka na-amụta asụsụ nakwa mkpụrụ okwu ngwa ngwa dị ka ha na-ege ntị n'akụkọ ifo ma mekwa ka asụsụ ha na-etowanye	3.5	0.85	Nabatara
3.	Agụmagụ ọnụ na-eme ka amamihe ụmụaka na-bawanye site n'ime ka ha mata maka ndị mba ọzọ na ihe na-eme na ha; jiri ya tụnyere n'ihe na-eme na gburu gburu ha.	3.4	0.83	Nabatara
4.	Okwuntabire, abụ, ilu, agwụgwa na-eme ka ụmụaka mụtawanye amamihe, matawanye okwu ekwu werewere nakwa inwe echiche miri emi	3.5	0.85	Nabatara

5.	Agụmagụ ọnụ abụghị maka ndị agụghi akwukwọ, ndị nọ n'isi, ndị nọ n'ebe emepebeghi emepe	3.2	0.80	Nabatara
6.	Agụmagụ ọnụ n'ụdị nkọmịrịko na akụkọ ifo bụ ụzọ ọdịnala kachasị mfe iwulite mmụọ ụmụaka ma nyefe ha agwa ndị ahụ ọha na eze kachasị nwee mmasị na ya	3.5	0.85	Nabatara
7.	Agụmagụ ọnụ dị ọkpụ tọrọ ọkpụ nke sitere n'aka ndị nna nna ochie fere n'aka ụmụ ụmụ ha.	3.2	0.80	Nabatara
8.	Agụmagụ ọnụ na-eme ka ụmụ aka kwenye n'ike ọgwụ na anwansị	2.9	0.69	Nabatara
9.	Ọgụgụ mbem na-azụlite nwata na mkpọpụta mkpụrụ okwu na mkpụrụ ụda nke ọma	3.3	0.81	Nabatara
10.	Agụmagụ ọnụ dị iche iche dị ka abụ, mbem, akụkọ ifo, ilu, akụkọ dike, agwụgwa; ụkabụilu na-enyere ụmụaka aka na mmekọrịta keọha, imụta agwa ọma, ndị a bụ ikwesi ntụkwasị obi, njikwata nke ọma, ọchịchị nakwa ahụghị onwe n'anya karịa dị ka mgbe ha gechara ntị nụ maka ndị jiri onwe ha chụọrọ obodo ha aja.	3.4	0.83	Nabatara

Tebul nke mbụ na-egosipụta na ndị nkụzi kwenyere na ndịna niile banyere agụmagụ ọnụ. A nabatara ndịna niile ebe a:1-10 nwere akara miin bidoro 2.5 gbagowe. Ndị nkụzi nyere ndịna niile ndị ahụ akara gosipụtara na agụmagụ ọnụ bara oke uru dị ka ha siri ahụta ya n'echiche ha.

Ajụjụ nchọcha nke abụọ. Kedu etu ndị nkụzi si ejidebe agụmagụ ọnụ na nkụzi na ọmụmụ n'ogo praịmarị.

Tebul nke abụọ.

Nzipụta akara miin ndị nkụzi Praịmarị na-ezipụta oke njidebe agụmagụ ọnụ na nkụzi na ọmụmụ.

S\No	Ndịna	MIIN	SD	MKPEBI
11.	Ana m eji akụkọ ifọ na-ewulite mmụọ mgbe m na-akụzi ihe iji mee ka m dọta mmasị ụmụaka nakwa ime ka ha nwetawanye amamihe	3.4	0.83	
12.	Ndị nkụzi na-ewebata okwu ntabire, agwụgwa na mbem mgbe ha na-akụzi iji mee ka ha nwee nka nkwunwu okwu were were	3.2	0.80	
13.	Ndị nkụzi na-ewepụta ohere ka ụmụaka zọọ mpi n'etiti onwe ha n'ịgụ mbem, abụ, ịtụ ilu, agwụgwa na ndị ọzọ	3.5	0.85	
14.	Otụtụ ndị nkụzi chọrọ agụmagụ ndị na-ewulite mmụọ ụmụaka n'ime Chineke nke na-ama ekwensu aka n'ihu karịa.	3.5	0.85	
15.	Ndị nkụzi na-ewezụga n'ụsọ agụmagụ ọnụ ndị merela oke ochie nakwa ndị atọchaghị ụtọ, were ndị na-ewulite mmụọ nọchie ha.	3.2	0.80	
16.	Ana m ewebata nkọkịrịkọ na akụkọ dike mgbe m na-akụzị ha soshal stọdee	3.0	0.79	
17.	Ndị nkụzi na-akpachapụ anya ghara iwebata akụkọ ndị gbasara ajọ mmụọ na nkụzi ka ụmụ aka ghara ibu n'uche na ibinwe ndụ ha n'egwu maka ajọ mmụọ n'ọdịnihu.	2.9	0.78	

18.	Ana m emegharị agụmagụ ọnụ ndị na-ekwu maka mgbasị, ike ọchịchịrị ka ha na-ezipụta ike Chineke na mmeri n'ebe ekwensu nọ.	3.0	0.79	
19.	Ndị nkụzi na-ewebata egwuregwu n'ụzọ dị iche iche iji kụziere ụmụaka ihe ọ bụla nke ha chọrọ ịkụzi ha.	3.5	0.85	
20.	Ndị nkụzi na-enye ụmụaka ezigbo ohere maka egwuregwu, abụ, na mbem ma oge ya ruo.	3.0	0.79	

Tebul nke abụọ zipụtara ọsịsa ndị nkụzi praịmarị etu ha si ejidebe agụmagụ ọnụ na nkụzi na ọmụmụ. Nke a ka ihe nrite miin zipụtara bido n'akara 2.5-3.5, nke gosiri na ha na-eji agụmagụ ọnụ akụzi ihe nke ọfụma.

Nkata

Ndịna ndị dị na tebul nke mbụ gosipụtara na n'echiche ndị nkụzi banyere agụmagụ ọnụ dị mma maka mwulite mmụta o nwere n'ebe ụmụaka nọ. Nke a pụtara ihe site na nchọcha Akporobaro (2012) nke kwadoro na akụkọ ọkpụ n'ụdị ọ bụla bụ ọkpọka n'ịkpalị na mwulite mmụọ nwata mgbe ọ nụchara akụkọ ndụ ndị kpara ike n'ala ha. Na ntụle maka ndị nkụzi iji agụmagụ ọnụ dị mma maka mwulite mmụta o nwere n'ebe ụmụaka nọ. Nke a pụtara ihe na mwulite mmụọ nwata mgbe ọ nụchara akụkọ ndụ ndị kpara ike n'ala ha.

Na ntụle maka ndị nkụzi na njidebe agụmagụ ọnụ na nkụzi na ọmụmụ, nchọpụta gosiri na ndị nkụzi na-eji agụmagụ ọnụ nke ọma na nkụzi na ọmụmụ ihe n'ụlọ akwụkwọ praịmarị.

Nchọpụta a dakọrịtara n'echiche Akinyemi (2003), Obiweluọzọ (2011) na Ebubechineke (2020) ndị kwadoro na agwụgwa na-eme ka aghọta na agụmagụ ọnụ bụ otu ụzọ nkụzi ndị Igbo na-enyere aka akpọte ụbụrụ ụmụaka ka ọ na-anụ ọkụ. Ha mekwara n'otu n'otu ka aghọta na ilu, nkọkịrịkọ, agwụgwa, abụ, mbem, okwu ntabire, ụkabụilu, akụkọ ndiichie bụ ezigbo ụzọ ụmụaka na-esi amata ihe banyere omenala, ọdịnala, ọdịbendị, omebendị, nkwenye, na ewumewu ndị

obodo ha. Ha na-esitekwa n'ụzọ ndị a niile nwe amamihe, mụta asụsụ ma nwe nkwunwu okwu.

Nchịkọta

Nchọcha a gosipụtara ụzọ dị iche iche echiche ndị nkụzi praịmarị na Zoon Mmụta Ezeagụ si hụta agụmagụ ọnụ dịka nka mara mma nke ukwu iji kụziere ụmụaka ihe ọmụmụ. Nchọpụta gosiri na agụmagụ ọdịnala/ọnụ nwere ọtụtụ ngalaba. Ha na-enyere aka iji zụlite ụmụaka n'ụzọ ọdịnala; nke na-eme ka ha mụta ihe ndị ga-eme ka ha nwee mmekọrịta keọha ma mụtakwa ihe ndị ahụ ọha na eze na-ekwe n'isi enye.

Mmechi

Agumagụ ọnụ bụ ụzọ ọdịnala e si enye ụmụaka mmụta. Ọ na-enye ohere ụmụaka isonyere n'ọmụmụ ihe. Agụmagụ ọnụ bụ ọkpọka n'iwulite na ịkpalite mmụọ ụmụaka ga-eme ka ha bụrụ ndị ndụ n'ọdịnihu ha, ọha na eze ga-anabata dị ka ụmụafọ ala nna ha n'ezie.

Ntụnye aro

Ọchọcha tụnyesiri aro ike ka ndị nkụzi jisie ike na-ewebata ngalaba agụmagụ ọnụ dị iche iche na nkụzi na ọmụmụ iji wulite ma kpalie mmụọ ụmụaka ịmụta ihe ndị ga-abara ha uru n' ọdịnihu, mụtakwa asụsụ na nka okwu dị iche iche ga-enyere ha aka ịbụ ọka n'okwukwu okwu n'ọdịnihu.

Nrụtụaka

Akporobaro, F. B.O. (2012). *Introduction to african oral literature*. Lagos: Princeton Publisher

Akinyemi, A. (2003). Yoruba oral literature: A Source of Indigenous Education for children. *Journal of Africa Cultural Studies*.16(2)161-176file://E:oral%20literature%20/htm

Baja, M. P.(2010). *Teaching resources, production and processes*. Indiana: Holy Press

Chineke, S. O. (2021). Ngwa maọbụ Enyemaka Nkụzi maka Asụsụ Igbo. Na M.O.Ọmeje & G.T.Ọnwụka (ọhz). Ntọala Nkụzi Na Ọmụmụ Asụsụ Igbo. Nsụka: Paschal Communications.

Ebubechineke, I. (2018). Igbo Indigenous Education: The Bedrock of Western Education. In G. I. Nwaozuzu, O. U. Okpaoko, B. M Mbah & N. O. Ahamefula (eds). *Igbo Institution and Leadership*: CIS.

Ebubechineke, I. B. (2020). *Akụkọ Ifo na Egwuregwu Ndị Ọzọ*. Nsụka: Paschal Communications.

Eze, D.O. (2018). Ezeagụ Igbudu: the land and its people.Enugu: Linco Press Nig. Ltd.

Federal Republic of Nigeria (2004). *National policy on education*. Lagos: Federal Government Press.

Goldschmdt, B. (1966).*Structural functionalism: An introduction to the literature.* Amazon: Comarin Publishing Co.

Nnabuihe, B. C. (2009) Ndubanye N'Ọmụmụ Agụmagụ Ederede Igbo. *Jọnal Mmụta Igbo* 4 (1) 82-90.

Nwadike, I.U.(1992). *Ntọala agụmagụ.* Nigeria*:* Ifụnanya Publishers.

Nwankwọ, K. D. (2019). The dwindling fortunes of the oral African tradition: The way forward. A paper presented at the 3rd Annual Achebe Memorial Conference at IAS, UNN.22nd-25th May, 2019.

Obiweluọzọ, E. P. (2011).Perception of primary school teachers on the use of oral literature. *International Journal of Research in Arts and Social Sciences* 3, 201-210.

Ọgbalụ, J. U.(2013). Oral literature as a tool for conflict resolution. In C.U.Agbedo (ed) Nsukka Working Papers In Language, Linguistics And Literature. 1(1&2), 264-273.

Ọssaị, B. O. (2011). An appraisal of traditional birth songs: Abụ ọdịnala/ọṅụ nwa in Amala Egazi. *Journal of Nigeria Languages and Culture. 13(2) 213-224.*

Ude, F.U. (2018). *Nduzi n'usoro ime nchọcha n'Asụsụ Igbo*. Enugu: Computer Edge Publisher.

Umezi, P. I. (2017). Nnwemagba Asụsụ nye echiche na nsirihụ ndịIgbo.*Ekwe JonalNke NdịIgboScholars Forum Nigeria. 4(2) 97-105*

Ụgbọr, G. N.(2012).Nduba n'agụmagụ Igbo. Na M.O.Omeje na G.T.Ọnwụka (ọhz). *Ntọala Nkụzi na Ọmụmụ Asụsụ Igbo*. Nsụka: Paschal *Communications*